**Ọrụ Mmwulite Omume na Agwa Ọma**

Onye ahụ nke na-akpọ unu kwesịrị ntụkwasị obi, Ọ ga-emekwazu ya.

***1Tesalonaịka 5:24***

## Ọrụ ebere - Usoro Ọmụmụ Ihe Mejupụtara Ihe Omume

**Nhụba ama** – tupu ị gụọ ihe ndị dị n'ime ngalaba a, ọ dị mkpa ka enyochaa usoro ọmụmụ ihe maka mmemme ọrụ ebere (Charity Pre-Activity Curriculum).

Ndepụta a sonyerenụ na-enye ihe imaatụ ọrụ nke ndị ndú na ụmụ akwụkwọ ha ga-enwe ike ime.

E kewara ha na npaghara ụlọ akwụkwọ praịmarị, ụlọ akwụkwọ sekọndrị, na nke mmahadum.

**Ndịnaya:**


Ụlọ akwụkwọ praịmarị (Site na ọta akara ruo klas nke ise) .......... 1

Cyndi Fannin .......... 1

Sheri Nessmith .......... 3

Ụlọ akwụkwọ sekọndrị (Site nke 6 ruo nke 12 – Ndi nke sekọndrị etiti na ndi nke sekọndrị elu) ....... 5

Sekọndrị nke etiti – na-abia .......... 5

Sekọndrị nke elu .......... 6

Agụmakwụkwọ Kacha Elu (Maka Ụlọ Akwụkwọ Kọleji na nke ndi Ọkachamara) .......... 6

Izugbe. .......... 6


## Ụlọ Akwụkwọ Praịmarị (Site na ọta akara ruo klas nke ise)

### Cyndi Fannin

**Ihe Omume:**


1. Ịkọwa amaokwu Baịbụl: Mee ka ụmụaka buru amaokwu ndị na-egosi àgwà ọrụ ebere n'isi na nkọwapụta ya.
2. Eserese Okirikiri Ọrụ Ebere
    - Na mpempe akwụkwọ abụọ buru ibu, see eserese okirikiri gbara ibe ha gburugburu nke edere "Ọrụ Ebere" n'ime etiti ha.


**The Virtues and Character Development Project © 2026 by The Virtues and Character Development Project is licensed under Creative Commons Attribution-NonCommercial-ShareAlike 4.0 International**

- Na mpempe akwụkwọ mbụ, dee "Okwu ndị pụtara otu ihe dika "Ọrụ Ebere" " (ma ọ bụ Ihe ndị yiri ya).
- Na mpempe akwụkwọ nke abụọ, dee "Okwu ndị dịpụrụ iche na ya" (ma ọ bụ okwu ndị na-emegide ya).
- N'elu mpempe akwụkwọ mbụ nke sitere na okirikiri dị n'ime, ga-enwe okwu ndị yiri ya ma ọ bụ okwu ndị eyighi ya dabere na mpempe akwụkwọ ahụ.
- Ihe imaatụ nke okwu ndị pụtara otu ihe dika oru ebere: inye onyinye, ịhụnanya, obiọma, ndidi, enweghị mmuo nke nani m, ịchụ àjà, ịhụnanya na-enweghị atụ, dgz.
- Ihe imaatụ okwu ndịiche oru ebere: ekworo, ịchọ nke nani m, anyaukwu, obi ọjọọ, ime ihe ike, ịtụanya ugwu oru na-ezighi ezi.

Otu nkwado nke abụọ sitere na eserese okirikiri nke dị na mpụta ga-abụ ihe imaatụ nke otu e si ebi ndụ oru ebere ma ọ bụ itinye ya n'ọrụ.

- Ihe imaatụ okwu ndị pụtara otu ihe: Akụkọ maka oezigbo onye Sameria, inyere ndị nọ na mpka aka, inye ego maka ọrụ ebere, inyere onye ọ bụla nọ n'mkpa aka, dgz.
- Ihe imaatụ maka okwu ma o bu omume ndị pụtara ndịiche ya: Ịgosi mmadu obiọma n'ihi ihe nrite onwe gi nani, inye ihe ka ndị ọzọ wee hụ gị ma too gị; ịgha ụgha banyere ịbụ onye na-emesapụ aka, dgz.




3. Jiri akwụkwọ nrapado (sticky notes) mee ka ụmụaka edputa ihe ọma dị iche iche ha hụrụla ndị mmadụ na-eme.
    - Enwere ike ịrapado ha na friji ma ọ bụ na bọọdụ ọzọ di n’ulo.
    - Nwee mkparịta ụka banyere ya otu ugboro n'izu.
4. Gi na ụmụaka depụta ụzọ esi aru oru afo oma nyere ndị ọzọ, (volunteering).
    - Hapụ ụmụaka ka ha họrọ ọrụ afọ oma ha chọrọ ime site na ndepụta unu jikọrọ aka dee.
    - Wepụta kalenda ma tinye ụbọchị ha chọrọ iji rụọ ọrụ ndị ahụ.
    - Ọ nwere ike ịbụ otu ugboro n’izu ma ọ bụ otu ugboro n’ọnwa, dika oge siri dịri ha.
    - Ihe imaatụ nwere ike ịgụnye: mmemme nke Operation Christmas Child (n’ọnwa Nọvemba), ịga leta enyi n’ụlọ nlekọta ndị agadi ma were kaadị ụmụaka ji aka ha mee ji gaa kelee ọtụtụ ndị bi n’ebe ahụ.

**The Virtues and Character Development Project © 2026 by The Virtues and Character Development Project is licensed under Creative Commons Attribution-NonCommercial-ShareAlike 4.0 International**

- Gwa ụmụaka ka ha mee kaadị iji kelee ndị ọrụ gasi, dị ka onye na-ebute akwukwo ozi, onye na-ekpofu ahịhịa, ndị ndekota ego n'ụlọ ahịa, ndị na-eje ozi n'ụlọ oriri, na ndị ọzọ.

5. Chọta akụkọ ndị dị na Baịbụl gbasara ihe imaatụ nke Jizọs na ndị ọzọ emere maka oru ebere.
   - Dee ihe imaatụ ndị a n'obere akwụkwọ.
   - Chọta ma opekata mpe ihe imaatụ iri maka oru ebere a.
   - Mee ka ụmụaka dee nchịkọta dị mkpirikpi ma ọ bụ aha akụkọ ahụ n'obere akwụkwọ.
   - Mee ka ụmụaka sepụta mpempe akwụkwọ n'ime iko, wee mee ihe nkiri akụkọ edere n'akwụkwọ ahụ ebe ụmụaka ndị ọzọ ga-ekwupụta aha akụkọ ahụ.
   - Ndị a bụ ihe imaatụ ole na ole: akuko banyere puku mmadụ ise Jizos zuru nri, akụkọ maka Ruth na Naomi, akuko maka mmesapụ aka Abraham n'akwụkwọ Jenesis 18, maka akuko nkwụghachi ụgwọ Zakiọs n'aka ndị o zuru ihe ha.

6. Kama inye onyinye ụbọchị ọmụmụ, gbaa ụmụaka ume ka ha họrọ ọrụ ebere ma ọ bụ ihe mgbaru ọsọ kachasị amasị ha.

- Tupu emume ụbọchị ọmụmụ ahu, kọwara ha na onyinye ndị ahu ga-agara otu ulo ọrụ ebere.
- Weputa igbe onyinye ụbọchị ọmụmụ ahu ka ụmụaka tinyejuo onyinye ha n'igbe ahụ n'oge oriri ahụ.

7. Gbalia Kwado Otu Nwatakịrị.

- E nwere ọtụtụ òtù nwere ike inye aka na mbọ a.
- Mee ka nwa gị họrọ nwa nkwado ma mụta ihe niile gbasara ndụ nwa ahu na omenala ya.
- Nyere nwa gị aka ide akwụkwọ ozi, rụọ ọrụ iji nweta ego O ji kwado, ma gwakwa ndị ọzọ gbasara nkwado ahu.

**Akwukwo Nso:**

1. Ọrụ Ndịozi 20:35 (ESV)

- N'ihe niile, egosiri m unu na site na-ịrụsi ọrụ ike n'ụzọ dị otu a, anyị ga-enyere ndị na-adịghị ike aka ma cheta okwu Onyenwe anyị Jizọs, otú o si kwuo, "Ọ dị mma inye ihe karịa ịnara ihe."

- Luk 6:38

  - Nye nu, a ga-enyekwa unu. ọtùtù ọma, nke abiadaworo ala, yọkọta, nke na-ejubiga kwa ókè, ka aga-enye n'obi unu. N'ihi na ihe unu ji tùọ ihe ka aga-eji tukwara unu.

- 3. 1 Jọn 3:17

**The Virtues and Character Development Project © 2026 by The Virtues and Character Development Project is licensed under Creative Commons Attribution-NonCommercial-ShareAlike 4.0 International**

- Ọ bụrụ na onye ọ bụla nwere ihe onwunwe  hụ na nwanne ya nwoke ma ọ bụ nwanyị nọ ná mkpa mana ọ nweghị obi ebere n'ebe ha nọ, kedu ka ịhụnanya Chineke ga-esi dị n'ime onye ahụ?

## Akwụkwọ ndị Ekpebiri ka a Gụọkọ Ọnụ:

1. *Nwee Obiọma* nke **Pat Zietlow Miller** dere

2. *Obere Jaketị ahụ na-acha Ndụndu* nke **Jodi Dee** dere

3. *Obere Oriọna nke Okwukwe: Akụkọ nke Okwukwe, Olileanya, na Ọrụ Ebere* nke **Debra A. Holcomb** dere

4. *Nyepụ Akwụkwọ a* nke **Darren Farrell** dere

Sheri Nessmith

Gịnị ka ọ pụtara nye anyị na ụmụ anyị ibi ndụ ebere n'ihe anyị na-eme kwa ụbọchị? Ọ na-amalite n'ụlọ, n'ime klaasị ulo akwukwo, n'ọgbọ egwuregwu bọọlụ, dgz - n'ime ndị anyị na-ezute kwa ụbọchị.

## Ndi a bụ ụfọdụ ụzọ ị ga-esi akwalite omume ebere n'ụlọ:

**Amaokwu Ncheta:** Jọn 13:35 "Site na nke a ka mmadụ niile ga-eji mara na unu bụ ndị na-eso ụzọ m, ọ bụrụ na unu ahụ ibe unu n'anya."

Oru ebere n'echiche na n'okwu bụ usoro mbụ. Ọ bụrụ na anyị nwere ike iche echiche ọma ma na-ekwu okwu ọma banyere ndị ọzọ, ọ ga-adị mfe karị ka anyị na-emeso ha ihe n'obiọma. Gbaa nwa gị ume ịchọ ihe ọma n'ebe onye ọzọ nọ, karịsịa mgbe ha chọrọ ime mkpesa ma ọ bụ gwa gị ihe na-ezighị ezi onye ahụ mere. Ihe nlereanya anyị dị ka ndị okenye dị oke mkpa n'akụkụ a; ọ bụrụ na anyị nwere ike na-ekwu okwu ọma banyere ndị ọzọ, ụmụ anyị ga-amụta ya ngwa ngwa.

**Kpeere ndị ọzọ ekpere maka mkpa ha** n'ebe ụmụ gị nọ. Ka ihe ndị a ị na-ekpe ekpere maka ha na-akọwapụta ihe (dịka afọ umuaka ahụ siri dị), ka ọ na-aka mma. Nke a na-akụziri ha na ha nwere ike ịkpọrọ ndị nọ ná mkpa bịakwute Chineke n'ekpere, ma na-etolitekwa ná mmekọrịta ha na Chineke site n'ekpere.

8. **Gbaa nwa gị ume** ka ọ na-kpọtụrụ onye ha na ya anaghị emekorịta, iji kụziere ha ka ha na-echeta ndị ọzọ n'ihe ha na-eme. Na mbụ , ahu agaghi eru  ha ala maka nkea, mana ahụ erughị ala ahụ bụ out ụzo iji tolite n'omume ọma. Ọzọkwa, ihe nlereanya gị dị mkpa ebe a na mmekọrịta gị na ndị ọzọ.

**The Virtues and Character Development Project © 2026 by The Virtues and Character Development Project is licensed under Creative Commons Attribution-NonCommercial-ShareAlike 4.0 International**

9. **Gbaa ndị ọzọ ume imeso mmadu ibe ha obiọma,** ọ bụghị iji nara otuto ma ọ bụ n'ihi nkwughachi onye ahụ ugwo ihe ọma O mere ha. Ezi ọrụ ebere na-achọ nani inye nakwa ịhụ ndi ozo n'anya n'achọghị ihe ọ bụla dika nkwaghachi ugwọ.

**Ịhụta Ndị Ọzọ:**

**1. Akụkọ Akwụkwọ Nsọ**

- **Onye Sameria Ọma**
- **Gụọ Luk 10:25-37**

**2. Jizọs kọrọ akụkọ a iji kụziere ndị na-eso ụzọ ya gbasara ịhụnanya.**

- **Ọ dị mkpa ka anyị gosi onye ọ bụla ịhụnanya, ọbụrugodi na anyị amaghị ha. Onye Livaị na onye nchụàjà egosighi ịhụnanya n'ihi na ha gafere nwoke ahụ ma ghara inyere ya aka. Naanị onye Sameria ahụ, onye kwụsịrị inyere ya aka, gosiri ezi ịhụnanya.**
- **Nyere ụmụaka aka ịghọta na mgbe ụfọdụ inyere ndị ọzọ aka ma ọ bụ ịhụ ha n'anya pụtara na anyị ga-ewepụ ihe anyị chọrọ ma lekwasị anya n'ihe ndị ọzọ ahu chọrọ.**
- **Ọ pụtakwara na anyị kwesịrị ịmụta ịhụ ndị ọzọ anya ma lebara mkpa ha anya.**
- **Ị nwekwara ike ịchọ ime akuko a ka ihe nkiri imaatụ nke oge a, dịka ụmụaka nọ n'ámá egwuregwu ma ọ bụ ụgbọala mebiri n'akụkụ ụzọ.**

3. **Ajụjụ ndị a ga-atụle:**

- **Ì hụtụla onye e merụrụ ahụ? Olee otú o siri dị gị n'obi? Gịnị ka i mere?**
- **Gịnị mere onye Livaị ma ọ bụ onye nchụàjà ahu akwụsịghị inyere onye ahụ merụrụ ahụ aka?**
- **Ònye kwụsịrị, kedu ihe ichere mere O jiri kpebie inye aka?**
- **Gịnị ka I chere Jizọs gaara eme?**
- **Ì nwere ike icheta oge ị na-enyereghị onye chọrọ enyemaka gị aka?**
- **Ònye ka ị maara chọrọ enyemaka?**

**Ihe Omume:**

• **Tinye Onwe Gị n'Ọnọdụ ahụ**

- **Chọta mkpokọta akwụkwọ ndị nwere foto ndị mmadụ na-egosi mmetụta na ọnọdụ dị iche iche. Gwa ụmụaka ka ha lelee foto ndị ahụ ma kọwaa otú ndị ahụ nwere ike si na-eche, gịnị nwekwara ike na-eme ha, dgz. Dị ka ihe imaatụ, ọ bụrụ na i gosi ha foto ezinụlọ na-eri nri, unu nwere ike ikwurịta ma hà na-enwe obi ụtọ ma ọ bụ na ha na-eru uju na ihe kpatara ya, otú nri ha na-eri nwere ike isi na-atọ ụtọ, ma i chere na ọnụ ụlọ ahụ ga-adị jụụ ma ọ bụ na-ekpo ọkụ, dgz.... Ebumnobi nke a bụ ime ka ha na-eche echiche banyere otú ọ na-adị ịbụ onye ọzọ. Ị nwekwara ike iji**

The Virtues and Character Development Project © 2026 by The Virtues and Character Development Project is licensed under Creative Commons Attribution-NonCommercial-ShareAlike 4.0 International

**magazin mee ihe omume a site n'ịgwa ụmụaka ka ha tụgharịa peeji ya wee bepụtasia foto ndị ahu.**

**• Egwuregwu Nlekọrịta Anya**

- **Ị hụtụla etu gi na onye obia si amụmụrụ ọnụ ọchị ma ọ bụrụ na unu lekọrịta onwe unu anya? Nke a bụ n'ihi na unu na-ahụ ibe unu ma na-akwanyere ibe unu ùgwù. Ọ bụ ụzọ isi gosi ịhụnanya. Gi na ụmụaka Kparịta uka otú ha si enwe mmetụta mgbe mmadụ lere ha anya na mkpuru anya mgbe ha na-ekwu okwu. Kedu ka o si emetụta ha mgbe ha na mmadụ na-ekwu okwu ma ha anaghị ele ha anya na mkpuru anya? Gbaa ụmụaka ume ka ha chọta ụzọ ha ga-esi lekọrita ndị mmadụ anya ma mụmụọrọ ha ọnụ ọchị. Ị nwekwara ike ịkpọrọ ha gaa n'ụlọ ahịa nri (ma ọ bụ ebe mgbakọ ọha na eze) ma nwee asọmpi gbasara onye nwere ike ime ka ọtụtụ mmadụ mụmụọ ọnụ ọchị nye ha site na-ilerita ha anya ( ekwusila okwu ike).**

**• Ọrụ na Ihe Omume Inye Onyinye**

- **Akwụkwọ Kupọnu Ịhụnanya nke oru Ebere: Ụmụ akwụkwọ na-emepụta kupọnu maka ozi ụlọ ma ọ bụ omume obiọma (dịka ọmụmaatụ, inyere aka ihicha ihe egwuregwu, ịtọ tebụl) iji nye ndị ezinụlọ.**
- **Ụdọ Obiọma: Deputacha omume obiọma na mpempe akwụkwọ gasị ma jikọta ha ọnụ iji mepụta ụdọ ogologo, nke na-egosi etu obere obere omume si agbakọta.**
- **Igbe Obiọma Ekele Nke Dịwa Mma: Chịkọta obere akpa ihe ọma ma ọ bụ mee kaadị maka ụmụaka n'ụlọ ọgwụ dị n'ógbè, ebe a na-elekọta ndị agadi, ma ọ bụ iji kelee ndị ọrụ ndozi obodo.**
- **Ihe Omume Onyinye na Ndowe: Jiri akụkọ ma ọ bụ ihe nkiri kụziere ụmụaka otu esi ekesa akụ̀ onwenwe ha, dị ka ha ikpebi ihe egwuregwu ndi ha ga-edebe na ndi ha ga-enye dika onyinye nyere ọrụ ebere.**

**• Ihe omume klaasị na Uto Onwe Onye**

- **Akwụkwọ Akụkọ Obioma: Mee ka ụmụ akwụkwọ see foto ma ọ bụ dee ahịrịokwu gbasara omume ọma ha mere, hụ, ma ọ bụ nwee ahụmahụ kwa ụbọchị.**
- **Tinye Onwe Gị na Foto n'ọrụ Mmetụta Ọmịiko: Gosi foto ndị mmadụ nọ n'ọnọdụ dị iche iche ma kparịta ka ọnọdụ ha si emetụta ha, ji ya na-akwalite ndu ọmịiko.**
- **Nka Mkpọpu Okwu Ọṅụ (JOY): Mepụta nka iji kuziere ha mkpọokwu a, JOY - Jesus, Others, You, na-echetara ha itinye ndị ọzọ na mbụ tupu ha onwe.**
- **Omume Egwuregwu Ihụnanya: Gwuo egwuregwu ebe ụmụ akwụkwọ na-eme ihe ma ọ bụ see ihe ngosi na-egosi ịhụnanya, dị ka ebe ụmụaka an-ekerịta ihe egwuregwu ma ọ bụ enyere onye ozo aka n'ihunanya.**

**• Ihe Omume Ntụgharị Uche**

- **Ekele Gburukagbu Ekele: Duzie Ụmụ akwụkwọ ka ha tụrịtara onwe ha bọọlụ ma na-ekwuputa otu ihe kpọmkwem ha hụrụ n'anya ma ọ bụ nwee ekele maka onye nọ ha n'akụkụ.**

The Virtues and Character Development Project © 2026 by The Virtues and Character Development Project is licensed under Creative Commons Attribution-NonCommercial-ShareAlike 4.0 International

- **Ekpere Maka Ndị Ọzọ: Kụziere ụmụaka ikpe ekpere maka mkpa ndị ọzọ, na-elekwasị anya n'ọmịiko maka ndị ozo nọ n'èzí gburugburu ha.i**

**The Virtues and Character Development Project © 2026 by The Virtues and Character Development Project is licensed under Creative Commons Attribution-NonCommercial-ShareAlike 4.0 International**